African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS)
Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

# Mbịakọ Asụsụ na Mgbanwe Asụsụ n'Ẹdda

**Onu M. Agha[1], Egwu R.O. Uka[2], Ngozi Emeka-Nwobia[3], Obianika C. Evelyn[4], Eze A. Maudline[5] & Ekwe M. Ayaru[6]**
[1, 2, 3, 4, 5 &] Department of Languages and LinguisticsEbonyi State University, Abakaliki, Nigeria
***Corresponding Author's E-mail:***mercyaghaonu@gmail.com

## Ụmị

Mbịakọ ma ọ bụ mmekọrịta asụsụ bụ mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ kaịrịa nwere mmekọrịta. Ya bụ mgbe ọ bụla ndị na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọrọ ọnụ ma ọ bụ nwere mmekọrịta, asụsụ ha na-emetụta onwe ha. Asụsụ nke ọ bụla nwere ike imetụta nke ọzọ n'ebe ọ pụrụ iche nke na o nwere ike iweghara ọnọdụ nke ọzọ ma ọ bụ mee ka e nwee mgbanwe n'ebe ụfọdụ. Mgbe e nwere mbịakọ asụsụ, asụsụ ndị ahụ bịakọrọ nwere ike ịmakọ, gbaziri okwu ma ọ bụ nwee mgbanwe na ụfọdụ mkpụrụ okwu ha. Nchọcha a chọrọ ịma ma mbịakọ olu ndị Ẹdda bịakọrọ n'olu Igbo ndị ọzọ nwere out o siri wete mgbanwe olu ndị ahụ. Kpọmkwem, mbunuche nchọcha a bụ ịmata ụdị mgbanwe ndị pụtara ihe n'olu ndị Ẹdda. Nchọcha a gbasoro usoro sosholingwisitik langueji kọntakiti. A chọpụtara na dị ka olu ndị Ẹdda na asụsụ ndị Igbo ndị ọzọ na abịakọ na-enwe mmetụta olu asụsụ ahụ na-agbanwe. Ihe ndị na-ebute mgbanwe ahụ gụnyere mbịakọ asụsụ, mmekọrịta, nlụkọrịta di na nwunye na ebe onye bi dg. A chọpụtakwara na mgbanwe a na-ahụta n'olu ndị Ẹdda enweghị usoro, ma ndị bi n'ime obodo, ma ndị bi n'ụzọ ije socha na mgbanwe a. Otu aka ahụ kwa mgbanwe a kacha pụta ihe n'etiti ụmụ na-eto eto. Ụdị mgbanwe achọpụtara n'olu ndị Ẹdda gunyere; mgbanwe nke ụda, mgbanwe nke ọdịdị, mgbanwe nke nsirmmebe, mgbanwe nke usoro okwu na mgbanwe nke echiche. Ndị nchọcha tụnyere aro ndị a: ka ndị nkuzi gbalịsie ike tinye n'ọrụ ihe "Policy on Education" kwuru maka iji asụsụ epum akụziri ụmụ aka ihe n'ogugo mbido agụmakwụkwọ. Ezinaụlọ, dị ka ebe mmụta na-ebido, ga-agbalịsie ike kụnye n'ime ụmụ aka inwe mmasị na ugwu nye asụsụ ha n'ihi na ọ bụrụ na ha nwee mmasị na ugwu nwe asụsụ ha, ha ga-achọ ịsụ ya mgbe niile. Ndị ọchịchị wepụta otu ụbọchị ma ọ bụ abụọ a ga-akpọ "Igbo ga-adị", a ga-eji na-asụ naanị Igbo onweghi asụsụ ọzọ a ga-anabata n'ụbọchị ahụ n'ụlọ ọrụ nakwa ebe ndị ọzọ.

**Okpụrụkpụ okwu:** Asụsụ, mgbanwe asụsụ, nsụnigwe, nsụnabụọ, mbịakọ asụsụ.

**Citation of article**: **Onu M. A, Egwu R.O. U, Emeka-Nwobia N, Obianika C. E, Eze A. M. & Ekwe M. A.(2024).** Mbịakọ Asụsụ na Mgbanwe Asụsụ n'Ẹdda, *African Journal of Politics and Administrative Studies AJPAS*, 17(1):673-687

**Date Submitted**: 30/04/2024 **Date Accepted**: 27/05/2024 **Date Published**: June, 2024

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

**Mkpọlite**

Omume ndị mmadụ nye asụsụ ha na-egosipụta ọrụ dị iche iche olundi dị iche iche dị n'asụsụ ahụ na-arụ. Ọ bụ nsirihụ ndị mmadụ n'ebe asụsụ ha dị na-ekpebi ụdị omume ha ga-emeso asụsụ ahụ. Omume ndị nwe asụsụ na-emeso asụsụ ha nwere ike ime ka asụsụ gbanwee ma ọ bụ digide. E nwere ụdị omume abụọ ndị nwe asụsụ kwesiri igosipụta; nke mbụ bụ ngosipụta nkwụgide n'asụsụ ha. N'asụsụ ọ bụla, ọ na-agụ ndị na-asụ ya agụ ịkwụgịdesi ike, ichekwa ma dobekwa asụsụ ahụ ka ọ ghara ifunahụ ha (Okeke, 2006). Nke a bụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ahụ na-ejikọta ha ọnụ dị ka otu ndị, ọ bụkwa ya na-egosipụta omenala ha ma na-emekwa ka ha dị iche n'ebe ndị ọzọ nọ. Ụdị omume ọzọ ndị nwe asụsụ kwesiri igosipụta n'ebe asụsụ ha dị bụ ngala. Ndị nwe asụsụ kwesiri ibuli asụsụ ha elu ma na-egosikwa ojuju afọ mgbe ndị ọzọ na-asụ asụsụ ya ma ọ bụkwanụ mgbe asụsụ ha na-anara asụsụ ndị ọzọ dị ha nso ọnọdụ ha.

Okeke (2006) kwuru na nke a na-akacha apụta ihe ma ọ bụrụ na e ji asụsụ ahụ mere asụsụ izugbe. Ùgwù a na-enye asụsụ ọ bụla na-ezipụta nsirihụ e nwere n'ebe asụsụ ahụ dị. Ọ ga-apụtakwa ìhè na nhọrọ asụsụ anyị. Ihemere (2006) zipụtara otu nhọrọ asụsụ si enwe mmetụta na nsirihụ asụsụ na ndụ ndị Ikwere, mgbe ọ sịrị na ndị nne na nna Ikwere nabatara asụsụ Bekee Pijin maka na ha kwenyere na ọ bụ asụsụ ndị ike ọrụ nakwa ndị mara mma. Nchọpụta dị iche iche na-egosi na n'obodo e nwere nsụnigwe, ndị mmadụ na-aka ahọrọ asụsụ ha ga-aka eji enweta ihe karịa nke ha chere na ha agaghị eji enweta ihe. (Michieke, 2005; Melander, 2003; Okeke, 2006 na Ihemere, 2006). Agbanyeghi na Brook (1979) kwuru na otu ihe doro anya maka asụsụ bụ na asụsụ na-echekwa onwe maka ihe ọ bụla nwere ike ime ka ọ gbanwee, mana ọ bụrụ na a kpacharaghị anya nsirihụ asụsụ n'ụzọ adịghị mma nwere ike ibute mgbanwe asụsụ mgbe ndị nwe ya bụ asụsụ ahụ atụghị anya ya.

Mgbe ọ bụla ndị nwe asụsụ họọrọ ma na-akwanyere asụsụ ọzọ ùgwù, asụsụ dị otu ahụ nwere ike ịgbanwe ma ọ bụkwanụ nwụọ. Nke a na-egosi na asụsụ na-agbanwe mgbe ndị nwe ya nabatara asụsụ ọzọ ma tinye ha n'ọnọdụ ma na-ewebatakwa ya n'usoro obibi ndụ ha. A na-ewebata ihe ọhụrụ na ya bụ asụsụ, o wee gbasa site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Olu ndị Ẹda, dị ka asụsụ Igbo bụ ihe jikọtara ndị Ẹda ọnụ ma bụrụkwa njirimara ha. O mere ka ndị Ẹda dị iche n'ebe ndị Igbo ndị ọzọ nọ. Ọ bụ ozuzu oke ndụ ha, mmụọ ha, amamuihe ha, nkwenye ha, ewumewu ha,

https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

usoro ikpe ikpe ha nakwa usoro ọchịchị ha. N'agbanyeghị ihe ndị a niile, olu ndị Ẹda bụrụ ha, onye nchọcha hụtara na omume ndị Ẹda n'ebe olundị ha dị nwere ike ibute mkpochapụ nke olundị ahụ n'asụsu Igbo. Ọ bụ omume ndị nye asụsụ ga-eme ka ndị ọzọ ma ọ bụ ndị na-etolite etolite chọrọ ịsụ ya bụ asụsụ. Ọ bụ ihe ndị a niile mere ka onye nchọcha bagide nchọcha a, ịchọpụta nsirihụ ndị Ẹdda nke, Steeti Ẹbonyi nye asụsụ ha si emetụta omume ha nye asụsụ ahụ na mmetụta nke a nwere n'asụsụ ahụ.

## Ntụleghari Agụmagụ

### Asụsu

Ọtụtụ ndị ọka mmụta akọwala asụsụ n'ụzọ dị iche iche. Dị ka Agbedo (2003) siri kọwa ya, asụsụ bụ ụzọ ndị si enyefe nkwenye ha, nsirihụ ha, ihe niile gbasara ha site n'ọgbọ rue n'ọgbọ. Ọ bụ njirimara ndị ma bụrụ ihe na-ejikọta ndị n'obodo. Eze, Medolu, Egwu, Onu na Ekwe (2023) kwuru na asụsụ bụ ihe nrịbaama nke mmadụ ji ezipụta ihe o bu n'obi mgbe ya na ndị mmadụ bịakọtara ọnụ. Asụsụ bụ otu n'ime njirimara agbụrụ ọ bụla, nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'ụdị mkparịta ụka nke na-eme ka mbunuche ha pụta ihe (Ude, 2019; Robins, 1980). Adeyemi na Egbowan (1999) kwuru na anyị bi n'ụwa nke ọ bụ okwu mejupụtara ya. Ha sịrị na okwu anyị kwuru ma ọ bụ nụrụ na-enwe mmetụta na ndụ anyị karịa otu anyị chere. Ya mere, ọ bụrụ na asụsụ adịghị, o nweghị okwu ọ bụla a ga-ekwu ma ya fọdụ ihe a ga-anụ. Asusụ na-eme ka nzirita ozi di mfe, ọ bụ ya bụ ihe ndị mmadụ ji ewube ma na-ahazi amamihe ha (Ochoma, 2001).

Asụsụ dịrịị kamgbe mmadụ bidoro. Oyakhire na Omenogor (2009) kwuru na ọ bụ naanị asụsụ bụ ihe ụmụ mmadụ nwekọrọ ọnụ nke mere ha ji dị iche n'ụmụ anụmanụ ndị ọzọ. N'uche nke ha Obanya na Uba (1987) hụtara asụsu dị ka usoro e si ezipụta echiche, mmetụta na adịmotu site n' ụda ọnụ. N'ịkpọ okwu aha, asụsụ dị ka ụgbọ e ji enwe mmekọrịta n'etiti mmadụ. Oseafiana (2009) na-akọwa na asụsụ bụ ngwa nke na-eweta uto na nnwogharị nke obodo. Oboti na Ugwu (2012) kwuru na ọ bụ site n'asụsụ ka ndị mmadụ si aghọta onwe ha, ma na-akwanyekwara echiche ndị ọzọ ugwu. N'uche ha, mgbe ọ bụla e jikwara asụsụ n'ụzọ dị mma, ọ na-eme ka ndị mmadụ nwe nghọta n'etiti onwe ha ma kpaa agwa ga-akwalite ezi obibi ndụ na mmepe obodo. Nke a na-egosi na mmadụ na-eji asụsụ eme ihe dị iche iche nakwa ụzọ dị iche iche iji nweta

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
Copy Right: © Author (s)
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

ọganihu na mmekọrịta tọrọ atọ n'obodo. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ilebara ihe na-eme n'asụsụ na nsirihụ ndị mmadụ n'ebe asụsụ dị anya.

Egwu (2018) kwuru na asụsụ na-enwoghari̩ onwe ya ka o nwee ike dabanye n'usoro obibi ndụ ọgbọ ọ bụla ga-abịa. Ọ naghị adịgide otu ọ dị. Asụsụ dị ka o siri metụta ọrụ nchọcha a bụ ụzọ niile ndị mmadụ si enwerịta mmekọrịta n'etiti onwe ha nke na-enyere ha aka ịghọta onwe ha nke ọma. Ọ bụ njirimara onwe nke e ji amata ebe onwe si, nke mekwara ka obibi ndụ dị mfe. Ọ bụ eziokwu na asụsụ na-agbanwe dị ka ọ na-enwe mmekọrịta ya na asụsụ ndị ọzọ, mana nsirihụ ndị na-asụ asụsụ nwere ike ime ka e nwee nchipụ mmasị na asụsụ. Mgbe e nwere nchipụ mmasị n'asusụ ọbụghị sọọsọ na asụsụ ahụ ga-agbanwe o nwekwara ike ịnwụ.

**Nsụmigwe na nsụmabụọ**

Ọtụtụ ndị ọka mmụta emela nchọcha gbasara omume ndị mmadụ n'ebe asụsụ dị, ndị dị ka Bamgbose (1976); Muriel (1982); Ugwuọna (2004); Ihemere (2006); Okeke (2006) nakwa ndị ọzọ, mana nchọcha ha gbadoro ụkwụ naanị n'omume ndị mmadụ nye asụsụ. Mana Fasold (1984) na-eme ka a mata na ihe gbasara omume nye asụsụ gunyere omume nye ndị na-asụ asụsụ; omume nye nchekwa asụsụ na nhazi ya. A na-enwetakarị omume dị iche iche nye asụsụ n'ebe a na-asụ asụsụ dị iche iche. N'ụdị ebe dị otu a, ndị na-asụ otu asụsụ nwere ike iwere ugwu ha nwere n'ebe asụsụ ha dị nye asụsụ ọzọ. Ịma atụ, na Naijiria, asụsụ Bekee bụ asụsụ nke abụọ (A2) ndị Naijirịa. A na-asụ ya nakwa asụsụ ndị ọzọ e nwegsịrị na Naijiria. Ọnọdụ dị otu a mere ka Naijirịa bụrụ obodo nsumabụọ, ebe ọtụtụ ndị Naijirịa weere omume abụọ ndị ahụ (ngwụgide na ngala) ha kwesiri inwe n'ebe asụsụ dị na-egosi asụsụ bekee. Ọkachasị n'ala Igbo ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ.

Mahapatra (1990) kwuru na a na-ahụtazi olu asụsụ dị iche iche n'ọtụtụ obodo nke mba ụwa taa. Nke a pụtara na ọtụtụ obodo mba ụwa taa nwere karịa otu asụsụ a na-asụ na ha. Kachru (1980) kọwara na ịsụ asụsụ dị iche iche bụkwa nke a na-enwetakarị site na mmekọrịta na mbịakọ ọnụ asụsụ. A ga-enweta ịsụ ọtụtụ asụsụ n'asụsụ niile nke ụwa. Dị ka Schiffman (2003) kwuru, na Singapore e nwere asụsụ Tamil na asụsụ Bekee. A bịa n'Israel e nwere Arab-Israeli na Jewish-Israeli. Mba Afrịka adịghịkwa iche n'ihe gbasara isụ ọtụtụ asụsụ. Na mba Saụt Afrịka a na-asụkọta asụsụ Bekee na asụsụ Afrịkana. Bentatula (1983) gakwara n'ihu kwuo na ndị na-asụ asụ

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

Arab na French na mba Morocco na-asụ French n'ọnọdụ ụfọdụ ma na-asụ Arabik n'ụlọ akwụkwọ nakwa mgbe ha na-enwe ofufe. Ọnọdụ a adịghị iche na Naijiria ebe e nwere asụsụ karịrị narị ise, nke Awusa, Igbo na Yoruba na-arụ ọrụ asụsụ izugbe nke mpaghara ha dị iche iche. Mpaghara ọ bụla nwere olu ndị dị iche iche nakwa olu izugbe ha ma nwekwazia asụsụ Bekee dị ka asụsụ ọrụ na iwu nakwa asụsụ ndị ọzọ nke ha na-amụta site na mmekọrịta ha na mpaghara ndị ọzọ.

Obodo nsụmigwe bụ obodo nwere karịa otu asụsụ a na-asụ n'ime ya. ọ bụ ọnọdụ asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa na-anọ n'ọrụ otu mgbe n'otu obodo. Fasold n'ime Okeke (2006) kọwara na e nwere ọtụtụ ihe ndị na-ebute nsụnigwe n'obodo. Ọ sịrị na ihe ndị ahụ gụnyere mbịara-chịa, mbịakọ ọnụ, ịla mba, na oke ala. Muriel (1982) wee kwuo kpọm kwem na mgbe a na-asụ ọtụtụ asụsụ n'otu ebe na a na-enwe ngwakọ asụsụ na mmafenye asụsụ. Okeke (2006) kapịara ya ọnụ si na mgbe e nwere mbịakọta nke asụsụ abụọ ndị na-asụ asụsụ nwere ike kpachara anya gwakọta otu asụsụ na ibe ya ma ọ bụ mee nke a n'amaghị ama.

N'obodo nsụmigwe, a na-enwetakarị ndị nsụmabụọ. Adetuyi & Adeniran (2017) kọwara na nsumabụọ bụ mmadụ ma ọ bụ obodo iji asụsụ abụọ eme ihe. Nke a pụtara na nsụmabụọ na-enye ohere mmadụ ma ọ bụ obodo iji kọrịta asụsụ abụọ na-ebi ndụ ha. Adetuyi (2017) sịrị na ọ bụ mmadụ inwe ike iji asụsụ ọzọ kwupụta okwu nwere echichi. Onye nsụmabụọ na-asụ asụsụ abụọ mana otu n'ime asụsụ ndị ahụ ụ nke ọ na-aka amara karịa nke ọzọ. Ọ dị mkpa ịmata na nsụmabụọ na-apụtakarị ihe mgbe e nwere mbịakọ ọnụ asụsụ.

## Mbịakọ Asụsụ

Mbịakọ ma ọ bụ mmekọrịta asụsụ bụ mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ kaịrịa nwere mmekọrịta. Ya bụ mgbe ọ bụla ndị na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọrọ ọnụ ma ọ bụ nwere mmekọrịta, asụsụ ha na-emetụta onwe ha. Asụsụ nke ọ bụla nwere ike imetụta nke ọzọ n'ebe ọ pụrụ iche nke na o nwere ike iweghara ọnọdụ nke ọzọ. Mgbe e nwere mbịakọ asụsụ, asụsụ ndị ahụ bịakọrọ nwere ike ịmakọ, gbaziri okwu ma ọ bụ nwee mgbanwe na ụfọdụ mkpụrụ okwu ha. Mbịakọ asụsụ na-ebute ngwakọ asụsụ, mmafenye asụsụ, asụsụ pijini na asụsụ krieo (Thomason, 2001). Auer (2020) siri na ndị ọmụmụ mbịakọ asụsụ ọgbara ọhụrụ anaghị ekwuzi maka mmetụta asụsụ na-enwe n'onwe ha kama ha na-ekwuzi maka ndị nwe asụsụ dị ka ndị na-ebute mbịakọ asụsụ. Ọ bụ ihe doro anya

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

na mbịakọ/mmekọrịta asụsụ na-apụta ihe mgbe e nwere nsụnabụọ, nke a gụnyere n'ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa n'ọnọdụ ihe ederede (Matras, 2009).

Mbịakọ asụsụ dị ka Thomason (2001) siri hụ ya bụ iji karịa otu asụsụ n'otu ebe n'otu mgbe. SIL (2014) kọwara na mgbe ọ bụla otu asụsụ na asụsụ ọzọ nwere mmetụ, ụfọdụ mmadụ ga-abụ ndị nsụmabụọ. Sankoff (2001) kwuru na asụsụ ndị nsụmabụọ na-asụ na-emetụta onwe ha n'ụzọ dị iche iche, nke na ha na-ewepu ma ọ bụ tinye ụfọdụ ihe na ha rue mgbe asụsụ ndị ahụ ga-emecha dị iche n'ihe ha bụbu na mbụ. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a ka Weinreich (1968) kpọrọ *mgbochi*. Dị ka o siri kwuo, mgbochi bụ ọnọdụ ahụ a na-esite n'iwu ma ọ bụ ụkpụrụ asụsụ nwere pụọ nke ndị nsụmabụọ na-eme n'ihi mmetụ ma ọ bụ mbịakọ asụsụ. Thomason (2001) kwuru asusụ yitere onwe ha na-aka enwe mmetụta mgbe e nwere mmetu/mbịakọ asụsụ ebe mmetụta asusụ ndị eyighi onwe ha anaghị apụtacha ihe otu ahụ mgbe e nwere mmetụ asụsụ.

Mgbe ụfọdụ n'ebe ụfọdụ, mbịakọ asụsụ na-ebute mfu asụsụ. N'ọnọdụ mbịakọ asụsụ, e nwere ike gbaziri ụfọdụ okwu n'ọnọdụ ụfọdụ, n'ọnọdụ ndị ọzọ, e nwee mmebe asusụ ọhụrụ (LSA, 2012). Ihe kacha ebute mgbanwe mgbe asụsụ bịakọrọ ọnụ dị ka Okeke (2006) kwuru bụ mgbanwe mkpụrụga, ya bụ, asụsụ inwe ike ịgbanwe n'ụzọ ụfọdụ n'ihi mwujọ, mgbochi olu ndị n'etiti olu asụsụ ndịiche ha siri ike na n'etiti ndị ndịiche ha esighị ike.

**Mgbanwe Asụsụ**

Asụsụ na-agbanwe oge niile; ọ na-enwogharị onwe ya iji daba ọgbọ ọ bụla bịakwutere ya. N'ime nnwogharị a, asụsụ nwere ike gbanwe ma ọ bụ nwụọ kpam kpam. Mgbanwe asụsụ, dị ka Nordquist (2014) kọwara ya, bụ ọnọdụ ahụ e nwere mgbanwe n'agwa na njikwa asụsụ. Mgbanwe a na-emetụ njikwa asụsụ n'akụkụ niile. O kwuru na mgbanwe asụsụ nwere ike ịdị n'usoro ma ọ bụ ghara ịdị n'usoro, na mgbanwe dị n'usoro na-emetụta usoro niile nke asụsụ. N'aka nke ọzọ, mgbe e webatara okwu ọhụrụ iji nye ihe ọhụrụ batara n'asusụ ahụ ohere, mgbanwe a enweghi usoro ọ gaghị enwe mmetụ ọ bụla n'okwu ndịna asụsụ ahụ (Nordquist, 2014).

McGregor (2009) kwuru na mkpụrụ okwu ụfọdụ na-aka anabata mgbanwe karịa ndị ọzọ, nnọchịaha anaghị anabata mgbanwe ọsọsọ ma e jiri ya tụnyere ụmụ mkpụrụ okwu ndị ọzọ,

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

mọfịm ndabere anaghị agbanwe ọsọsọ dị ka mọfịm nọrọonwe. Reid (2003) kwuru na asụsụ nwere ike ịgbanwe na-egbughị ọtụtụ oge (ya bụ, na-abịa ngwangwa), ebe ụfọdụ na-ewe ọtụtụ oge. Na ndekọta o mere n'asụsụ Ọsịtrelịa, ọ chọpụtara na usoro ekwumekwu asụsụ Ọsịtrelịa (Ngangitymerri) gbanwere ngwangwa, nke a were naanị afọ iri ise n'agbata afọ 1930 rue na 1980. O kwuru na otu n'ime ihe ndị kpatara ụdị mgbanwe ahụ bụ n'ihi na obodo na ndị na-asụ asụsụ ahụ pere mpe. Ụdị mgbanwe a na-ewe ọtụtụ oge ịgazu ebe niile ma ọ bụrụ na obodo ahụ buru ibu.

E nwere ike ikewa mgbanwe asụsụ ụzọ abụọ pụtara ìhè – mgbanwe nke mpụga na mgbanwe nke ndịnime. Mgbanwe mpụga bụ mgbanwe ndị ahụ na-abụghị nsinasụsụ, Ọ bụ mgbanwe a na-enwete n'asụsụ site mmekọrịta asụsụ na ibe ya. Ihe na-ebutekarị mgbanwe mpụga bụ nnabata okwu mbite. N'aka nke ọzọ, mgbanwe ndịnime bụ mgbanwe ndị ahụ a na-enwete na ọdịdị mkpụrụ ụda asụsụ. Ihe na-ebute mgbanwe ndịnime bụ ntinye na mwepụ nke ụda na mkpụrụ okwu, mmebe okwu ọhụrụ site na ndị dịbu adị, nke a na-esite otu ụzọ ma ọ bụ nke ọzọ ebute mgbanwe asụsụ n'ogo dị iche iche. Ka o sila dị, ụdị mgbanwe abụọ ndị a nwere ike ibute mgbanwe nke ụda asụsụ, mgbanwe nke usoro okwu, mgbanwe nke usoro echiche okwu, mgbanwe nke nsirimmebe. Nchọcha a bụ ịchọpụta ma e nwere ụdị mgbanwe ndị a n'olundị Ẹdda.

## Atụmatụ Nchọcha

Onye nchọcha gbasoro usoro nchọcha adịm mee nchọcha a. Usoro a bụ usoro nchọcha nkọwa nke na-agbado ụkwụ na nnakọta ozi site n' akụkụ njirime nchọcha. Onye nchọcha ga-ahọkọ mkpụrụ okwu, ahịrị okwu na nkeji okwu dị iche iche n'olundị Ẹda gosipụta otu mkpụrụ okwu ndị ahụ dịbu na mbụ nakwa otu ha dịzi ugbu a. Ndị ọchọcha ji nnọrọnụrụ were nweta ozi e ji mee nchọcha a. Onye nchọcha jikwa igwe nnata ozi tinyekwa ụfọdụ ozi ọ natara. Ọgbakọ ndị onye nchọcha siri nwete ozi gụnyere; ọgbakọ ụmụ nwaanyị Ẹkọlị na nke ụmụ nwoke ha n'Aba nakwa n'Abakaliki, ọgbakọ izugbe ndị Ẹda bi n'Ụmụahịa, ọgbakọ izugbe ndị Ẹda bi n'Ọnịsha na nke ndị Owere, ọgbakọ ụmụ ntorọbịa dị iche iche ama egwuregwu dị iche iche. Okwu ndị ahụ onye nchọcha sitere na nnọrọ nụrụ nwete na ndị o jiri igwe nnata ozi nweta ka ọ haziri ma tụlerịkọta ha ịmata ma e nwere mgbanwe nakwa ụdị mgbanwe e nwere.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359
Copy Right: © Author (s)

**Ụdị mgbanwe asụsụ e nwere n'Ẹda**

Mgbanwe ụda bụ mbufe otu ụda nye ụda ọzọ. Ọ bụ usoro nke ụda ụfọdụ n'asụsụ na-agbanwe were ụdịdị ọzọ. Mgbanwe a nwere ike jiri nwayọọ nke a gaghị amata na mbido ma e mecha ọ pụta ihe dị ka oge na-agafe. E nwere ike ịhazi mgbanwe ụda dị ka usoro ha gbasoro siri wee dị. Ha nwere ike ịgbaso usoro ndị a:

**Olilo**

Nke a bụ mgbanwe ụda nke ụda na-agbanwe ma yie nke dị ya nso na mkpụrụ okwu. Olilo nwere ike bụrụ nlomụda azụ, nke a bụ mgbe ụdaume nke mbụ n'ebe e nwere karịa otu gbanwere yie nke na-esote ya site iwere ọnọdụ ebe mkpọpụta ya. A na-akpọ ya nlomụda azụ n'ihi ebe mkpọpụta ụda nke ụda nke abụọ na-aga azụ n'ụda nke mbụ. Olilo nwekwara ike bụrụ nlomụda ihu ma ọ bụrụ na usoro mgbanwe ụda ya gara ihu. Ụdị mgbanwe a apụtachaghị ihe n'olu ndị Ẹdda.

**Mwepụ**

Nke a bụ ụdị mgbanwe ụda nke ụda na-efu ma ọ bụ pụọ n'okwu. Ndapụ ụda nke ikpeazụ na mkpụrụ okwu ka a na-akpọ ndapụ ụda azụ. Ebe ọpụpụ ụda na mbido mkpụrụ okwu ka a na-akpọ ndapụ ụda ihu. Otu aka ahụ kwa, ụda nwere ike ịdapụ n'etiti mkpụrụ okwu. Ụdị mgbanwe a apụtachị ihe n'olu ndị Ẹdda.

**Ntinye ụda**

Ntinye ụda bụ itinye mkpụrụ ụda n'ime mkpụrụ okwu. A na-emekarị nke a iji gboo nsogbu usoro nke asụsụ. N'Edda e nwere ụdị mgbanwe a, ebe ndị Ẹdda na-etinye ụda /i/ ma ọ bụ /ị/n'ihu okwu ndị ụda ike mkpọputa /k/ na /g/ nakwa ụda /j/ bidoro, ọmụma atụ

| **1.** | **okwu** | **ntinye ụda** |
|---|---|---|
| a. | Garị | ịgarị |
| b. | Kanda | ịkanda |
| ch. | Ji | iji |

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

**Mgbanweṛita ụda**

Nke a bụ udị mgbanwe nke a na-eji ụda ọzọ anọchi anya ụda dịbu na mkpụrụ okwu. A na-ahụta ụdị mgbanwe a n'Ẹdda, ebe Ẹdda ọgbara ọhụrụ na-agbanweṛita ụda dịbụ mkpụrụ okwu ha na nke Igbo izugbe. Lee ọmụma atụ;

| 2. | Mkpụrụ okwu n'Ẹda | Agba ọhụrụ ya n'Ẹda |
|---|---|---|
| a. | Ofo | ofe |
| b. | Ulo | ụlọ |
| ch. | Ẹka | aka |
| d. | Afịa | ahịa |
| e. | ọrũ | ọrụ |
| f. | Ẹda | Ada |
| g. | Alị | ala |

**Mgbanwe Usoro okwu**

Dị ka oge na-aga, usoro mkpụrụ okwu asụsụ nwere ike ịgbanwe. Mgbanwe a nwere ike bụrụ n'ihi mbite okwu site n'asụsụ ndị ọzọ ha na asụsụ nwerela mmetụ ma ọ bụ bịakọtarala ọnụ. Mgbe nke a mere, a na-enwe ihe dị iche pụtara ìhè n'ewumewu ahịrịokwu asụsụ ahụ. Ụdị mgbanwe a adịbeghi n'Edda, ndị Ẹdda ka na-eji usoro okwu ochie ha bu nke na-agbaso usoro okwu Igbo izugbe (isi ahịrị, ngwaa na mmejụ).

**Mgbanwe Nsirimmebe**

Mgbanwe nsirimmebe nwere ike ịbata n'asụsụ site na mmụta asụsụ ma ọ bụ mfu mkpụrụ echiche ndabe, mgbanwe nke ụtọasụsụ, mgbanwe nke ọdịdị na mgbanwe nke echiche.

**Mmụta na mfu mkpụrụ echiche ndabe**

A na-ewebata mkpụrụ echiche ndabe ọhụrụ n'asụsụ site na-ibite mkpụrụ okwu n'asụsụ ọzọ. A na-agwakọ okwu ndị a e bitere ya na asụsụ ahụ bitere ya; ka oge na-aga, okwu ndị ahụ e bitere abụrụzie mkpụrụ okwu n'asụsụ ahụ bitere ya. Udị mgbanwe a na-pụta ihe n'Ẹdda. Ndị Ẹdda ọgbara ọhụrụ, ọ kachasị ndị alụtara na mba, iji gosi na ha nwere ike ịsụli Ẹdda na agbakwunye ụfọdụ mgbakwunye n'olu Ẹdda. Ọmụma atụ,

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

3. -kwahụ

a. ekweghị m ife ị kpaịrị

ekweghịkwahụ m ife ị kpaịrị

b. ọ bụghụ m mere ya

ọ bụghụkwahụ m mere ya

ch. M nọhụ akpaịrị ya

m nọkwahụ akpaịrị ya

4. Mgbanwe nsirimmebe na mgbakwunye ndị na mmecha

a. Wọ erile ife

Wọ eriela ihe

b. Ọ gbale ọsọ

Ọ gbaala ọsọ

ch. Ị tale ẹtụ

Ị taala ẹtụ

d. Ọ ṅụle mini

Ọ ṅụọla mmiri

Mkpụrụ echiche nwekwara ike ifu n'asusụ dị ka oge na-agabiga, a na-eji nwayọọ na-akwụsị iji ya n'asụsụ rue mgbe ọ ga-efu kpam kpam.

**Mgbanwe nke ụtọasụsụ**

Mmebe nke ụtọ asụsụ bụ otu ụzọ mkpụrụ okwu si aghọ mkpụrụ ụtọasụsụ. Ọ gụnyere mwetu mmebe ụda na ngwakọ echiche. Ọ na-ewetu mpụtara mkpụrụ okwu nwere nke ga-eme ka ọ ghara isi ike ọzọ. Mgbanwe ụtọ asụsụ na-apụta ihe mgbe ndị Ẹdda na-eji ngwaa ma-ekwesirighi okwu etinyere ya.

5a. wua nri ọhụ

Sia nri ọhụ

b. o tere ofo

o siri ofo

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

N'Edda ụdị nrị dị iche iche nwere ngwaa na-egosi osisi ha, man aka ọ dị ugbu a, anaghị agbasozi nke a. ana ejikọrịta ngwaa osisi nri 'si' ụdị nri e kwesighi iji ya. N'out aka ahụkwa ka ha na-eme na ngwaa nzụta ihe;

6a Kuta nnu
zụta nnu

b. gbata manụ
zụta manụ

ch. Wụta ahũ/oso/ahũekegha
zụta egusi/ose/ahuekegha

d. Tụta ẹnwụrụ
zụta ẹnwụrụ

e. Kpata manụ/manụ ọkụ
zụta manụ

**Mgbanwe ọdịdị**

Ọtụtụ mgbe asụsụ na-agbanwe usoro mmebe ya, were mkpụrụ okwu ụfọdụ na-anọchite mkpụrụ okwu ọzọ. Usoro mmebe ọhụrụ a na-anọchite nke dịbu ma mekwa ya ka ọ bụrụ nke a na-eji. Mgbanwe nke ọdịdị nwere ike ịbịa n'ụdị ọdịdị mmemizugbe ma ọ bụ ọdịdị mgbatị. Campbell (1998) kọwara na ọdịdị mmemizugbe na-ewetu ọnụ ọgụ mkpụrụ okwu echiche okwu nwere; okwu ụfọdụ nweburu mgbanwe anaghị agbanwe ọzọ ma nke a mechaa. E nwere ụdị mgbanwe a n'Ẹdda. Ndị Edda nwere mkpụrụ okwu a bụ 'nwamị', ya bụ onye na-abụghị nwoke maka nwanyi niile. Mana ihe e ji amaka ogo ma ọ bụ ọnọdụ nwanyị ahụ bụ ife a kpoọrọ ya. Ọmụm atụ;

| | | | |
|---|---|---|---|
| 6. | a. | nchiẹkwa | nwanyị lụterela di anya, ụmụ ya tocharala |
| | b. | mperete | nwanyị o techabehi ọ lụrụ di, ụmụ ya ka pechara mpe |
| | ch. | Agbọghọ | nwanta nwanyị na-alụbeghi di |

ka ọ dị ugbu a n'Ẹdda a naghịzi eji mkpụrụ okwu ndị a, a na-akpọ nwanyị ọ bụla nwamị.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

**Mgbanwe nke echiche**

Mgbanwe nke echiche bụ mgbanwe na mpụtara okwu nwere. Mgbanwe a na-eme ka mpụtara okwu nwebụ gbanwee dịzie iche n'ihe ọ bụbu na mbụ. Mgbanwe echiche, nwere ike gbatị ma ọ bụ gbanwe mpụtara okwu nwere nke nwere ike ibuli ma ọ bụ buda ogo okwu ahụ. Mgbe ebitere okwu site n'asụsụ ọzọ n'ihi mbịakọ asụsụ, dị ka oge na-aga e nwere ike itinye okwu ahụ n'asụsụ bitere ya n'ebuzighi mpụtara n'uche a na-ejizi ya n'ụzọ ọzọ. Ọ bụ nke a mere Palmer (1981) jiri kwuo na mpụtara okwu nwere ike ichipu dị ka a na-ebite ha site n'otu asụsụ gaa na nke ọzọ nakwa dị ka ndị na-asụ asụsụ na-abịakọ ọnụ n'otu mgbe ma ọ bụ mgbe ọzọ. O nwekwara ike ime mgbe ọsụ asụsụ weghara ma ọ bụ ṅomiri otu ndị ọzọ si asụ asụsụ ha ma tinye ya n'ọnọdụ nke ha na-kwa n'usoro omenala ha. Ụdị mgbanwe a ka kacha apụta ihe n'Ẹdda, ndị Ẹdda nwere ọtụtụ mkpụrụ okwu ha sitere asụsụ ọzọ nabata ha n'Ẹdda. N'aka ahụkwa ọtụtụ mkpụrụ okwu ha ka ha ṅomiri otu ndị Igbo ndị ọzọ si akpọ ya.

| | **Olu Ẹdda** | **olu ọhụrụ** |
|---|---|---|
| 7a. | Ogere | ehihie |
| b. | Ụmịrịma | ụmụ aka |
| ch. | Osinamie/oke | agadi |
| d. | Mgbaịsị | mgbede |
| e. | Nna ukwu | ete |
| f. | Nwa m nne nwoke | dee |
| 8. | okwu ndị e sitere na asụsụ ọzọ | |
| a. | nzụzụ (Ẹdda) | sapo (mgbazite) |
| b. | ụsanị obosara (Ẹdda) | naịnaị (site n'ego ole a na-azụ ya) |

Mgbanwe nke echiche were ike ịbụ mmenizugbe, mmenotu, mwetu nghọta na mbuli nghọta okwu dị ka Tobing (2010) siri kewaa ya. Mmenizugbe bụ ụdị mgbanwe echiche nke mpụtara okwu nwere na-agbatị ịnabata echiche ọhụrụ. Mpụtara na-amụba nke na e nwere ike iji otu mkpụrụ okwu n'echiche dị iche iche karịa otu ọ dịbu na mbụ. Ọmụma atụ

9a. Nne enyi pụtara nne enyi m, mana ndị Ẹdda na-akpọzi enyi ha nne enyi

b. Nde ikom pụtara ụmụ nwoke, mana ndị Ẹdda na-ejizi nde ikom atụnyere ndị mezurula emume ụmụ nwoke na-eme n'Ẹdda.

https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

Mmenotu n'aka nke ya bụ mgbe mpụtara okwu nweburu ọtụtụ echiche na-enwezi naanị otu echiche. Mpụtara na-agbatu nke na a ga-eji okwu naanị n'ụfọdụ echiche karịa otu ọ dịbu na mbụ. Mpụtara okwu na-adabere n'okwu ya na ya na-agakọrịta mgbe ọ bụla (hụ ọmụma atụ 6). Mwetu nghọta bụ mgbanwe echiche nke mpụtara okwu na-agbatu ala na-egosipụtazi ọnọdụ dị ala ma ọ bụ nkwujọ. Ọmụma atụ;

10a. ị bụ nwamị. Nke a pụtara na onye ahụ esighi ike ( a na-ewetu nghọta 'nwamị' nwere)

b. ị bụ ụtara. Nke pụtakwara na onye ahụ esighị ike (a na-ewetu nghọta ụtara nwere)

**Nchịkọta na Aro**

Mbịakọ olu ndị Ẹdda bịakọrọ ya na olu ndị Igbo ọzọ mere ka e nwee ụdị mgbanwe dị iche iche n'olu asụsụ ahụ. Nchọcha a na-egosi na ihe ndị na-ebute mgbanwe a gunyere: mbịakọ asụsụ, nlụkọrịta di na nwunye, ebe onye bi dg.

**Aro**

1. Ka ndị nkuzi gbalịsie ike tinye n'ọrụ ihe "Policy on Education" kwuru maka iji asụsụ epum akụziri ụmụ aka ihe n'ogugo mbido agụmakwụkwọ.

2. Ezinaụlọ, dị ka ebe mmụta na-ebido, ga-agbalịsie ike kụnye n'ime ụmụ aka inwe mmasị na ugwu nye asụsụ ha n'ihi na ọ bụrụ na ha nwee mmasị na ugwu nwe asụsụ ha, ha ga-achọ ịsụ ya mgbe niile.

3. Ndị ọchịchị wepụta otu ụbọchị ma ọ bụ abụọ a ga-akpọ "Igbo ga-adị", a ga-eji na-asụ naanị Igbo onweghi asụsụ ọzọ a ga-anabata n'ụbọchị ahụ n'ụlọ ọrụ nakwa ebe ndị ọzọ.

**Nrụaka**

Adetuyi C.A. & Adeniran, A.A. (2017). Aspects of semantics of standard British English and Nigerian English: a comparative study. *English Ling. Res. 6*(3), 5-14.

Adetuyi C.A. (2017). Language contact in Nigerian multilingual society. Availabe from: https://www.researchgate.net/publication/327022509_Language_contact_in_Nigerian_multilingual_society#fullTextFileConten (accessed Aug 11 2023).

Agbedo, C. U. (2003) Linguistic *variation and change in Igbo: A quantitative approach*. Nsukka: ACE Resources Konsult.

Auer, J. (2020*). Language contact*. Available from: https://www.researchgate.net/publication/346912381_Language_contact#fullTextFileContent [accessed Aug 11 2023].

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024): 673-687
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
CC BY
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

Bentahila, A. (1983). *Language attitudes among Arabic French bilinguals in Morocco*. Oxford: Clevedon.

Egwu, R. O. U (2018). Nsirihụ na mgbanwe asụsụ n'Ẹda. MA thesis presented to te department of languages and linguistics, EBSU

Eze, A. M., Medolu, A. Ọbịageli, Egwu, R. O. U., Onu, M. A., & Ekwe, M. A. (2023). Nnyocha usorookwu mmemụbara nnọrọ onwe n'olu Abankeleke. *EBSU journal of social sciences and humanities*, *13*(2). Retrieved from https://ebsu-jssh.com/index.php/EBSUJSSH/article/view/109 (accessed Aug 11 2023).

Fasold, R. (1984). *The sociolinguistics of study*. Oxford: Basil Blackwell Publishers.

Ihemere, K. U. (2006). An integrated approach to the study of language attitude and change in Nigeria: the case of the Ikwere of Port Harcourt city. *Proceedings of the 36th annual conference on African Linguistics, ed. Olaoba F. Arasanyin and Michael A. Pemberton, 194-207. Somerville,* MA: Cascadilla proceedings project. www.lingref.com,document#1424. Retrieved on 2/6/2014.

Kachru, B. (1980*). Role of the vernacular in the bilingual's linguistic repertoire.* Paper presented at the symposium on standard language vernacular and bilingual education. Racine: Wisconsin.

Mahapatra, J. J. (1990). http://www.Isade.org/fog/index.php?.acq=endangered.htm. Accessed 15/10/05.

Matras, Y. (2009). Language contact. Cambridge: Cambridge university press.

McGregor, W. B. (2009). Linguistics: An Introduction. New York: Continuum International Publishing

Melander, L. (2003). Language Attitudes: Evaluational reactions to spoken language. *English C-essay*, Hogskolan Dalarna.

Michieka, M. (2005). A sociolinguistic Profile of English in Kenya. *World Englishes, 24(2). 176-18*

Muriel, S. T. (1982). *The enthnography of communication: An introduction*. Oxford: Basil Blackwell Publishers.

Nordquist, R. (2014).*Semantic change* www.grammarabout.com/aboutcom/education/grammar.htm

Obanya, P. & Uba, G. C. (1987). *Understanding and using English*. Onitsha: Fortune Printing Industries Ltd.

Ochoma, M. U. (2001). *Teacher classroom processes in the listening and speaking skill development components of the English language curriculum*. An unpublished M. ed thesis, University of Lagos, Akoka

https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.32 p-ISSN: 2787-0367; e-ISSN: 2787-0359

Okeke, C. O. (2006). *Language attitude and language shift: A case study of Nkpor dialect.* MA thesis presented the department of linguistic, Igbo language and other Nigrian languages, UNN.

Oseafiana, S. E. (2009). English Language use in Nigeria: the challenges of the electronic media. *NATECEP Journal of English and Communication Studie,5,106-111.*

Oyakhire, F. F. O. & Omenogor, H. D. (2009). Language of advertisement: a graphological analysis of billboards advertisement in Auchi metropolis. *NATECEP Journal of English and Communication Studies, 5, 41- 49.*

Reid, N. J. (2003). Phrasal verb to synthetic verb: recorded morphosyntatic change in Ngan'gityemerri. In N. Evans (Ed.) *The non-pama-Nyungan Language of Northern Australia: Comparative Studies of the Continent's most Linguistically complex Region.* Canberra Pacific Linguistic, 95-123

Robins, R. H. (1980). *General linguistics: An introductory survey*. New York: Longman.

Sandoff, G. (2001). Linguistic Outcomes of Language Contact. In P. *Trudgill, J. Chambers and N. Schilling-Estes, (eds), Handbook of sociolinguistics.* Oxford: Basil Blaackwell, 638-668.

Schiffman, H. F. (2003). *Language shift in the Tamil community of Malaysia and Singapore: the paradox of egalitarian language policy*. Department of South Asian Regional Studies, University of Penneylvania.

SIL (2014). *Language Contact*. http://www.01.sil.org/sociolx/LNG-Contact.html. Retrieved on 12/10/2016.

Ugwuona, C. (2004). *Language choice and language attitudinal differences in Igbo language: a case study of Nsukka urban*. MA thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Weinreich, U. (1968). *Language in contact: Findings and problems*. The Hague: Mouton Piblishers.